## Iwu gbasara  mmekọahụ nke ndị ọrụ na-akwalite ọdịmma

Enwere ike ịdọ ndị ọrụ na-akwalite ọdịmma **aka na ntị** ma ọ bụ **chụọ ha na ọrụ** maka **omume ọjọọ gbasara mmekọahụ**. Lee iwu ndi ha kwesịrị irubere isi:

- **Agaghi ekwe** ka ndị ọrụ na-akwalite ọdịmma soro **onye na-erubeghị afọ iri na asato nwee mmekọahụ**, **ma ọ bụrụgodi na iwu mba ha kwadora ya**. Amaghị ezigbo afọ nwata ahụ abụghị ihe ngọpụ.

- **Agaghi ekwe** ka ndi ọrụ na-akwalite ọdịmma **jiri ego, ọrụ, ngwa ahịa ma ọ bụ ejemozi kwụọ ụgwọ mmekọahụ** - nke a gụnyere ngwa ahịa na ejemozi eji enyere ndị nọ na mkpa aka. Ha aghaghi ikwe ihe ndị a na nkwa iji mee ka ndi ọzọ kwete ime ihe ihere ma ọ bụ nghori nye onwe ha, dika ikwụ ụgwọ ma ọ bụ inye ego maka mmekọahụ ha na ndi akwụna.

- Ndi ọrụ na-akwalite ọdịmma na-ahụ maka ihe ndị eji enye aka, nke mere ka ha nwee ikike ebe ndị a na-enyere aka nọ. N'ihi nke a, ndị otu ndị na-akwalite ọdịmma **na-enye ndi ọrụ ha nnukwu ndụmọdụ megide iso onye a na-enyere aka nwee mmekọahụ**. Udịrị omume a na-emebi ntụkwasị obi enwere n'ihe gbasara ọrụ nkwalite ọdịmma.

- Ọbụrụ na onye ọrụ na-akwalite ọdịmma **na-eche** na onye n'arụ n'ụlọ ọrụ ya ma ọ bụ ụlọ enyemaka ọzọ na-adagide iwu gbasara mmekọahụ nke ndị ọrụ na-akwalite ọdịmma, ọ **ghaghị** ikpesa site n'**usoro** ụlọ ọrụ ya kewapụtara.

- Ndi ọrụ na-akwalite ọdịmma **kwesịrị ikewapụta ma kwalite** ebe ọrụ n'egbochi mmekọahụ n'ekwesighị ekwesị, nke ga na-enyekwara ndị ọrụ aka irube isi n'**iwu omume**. **Ndị nchịkwa nile** bụ ndị ga na-akwado ma na-ekewapụtakwa ọtụtụ usoro nke ga na-akwalite ebe ọrụ a.

Iwu ndị IASC gbasara mmegbu na mmmetọ n'ụzọ mmekọahụ dị n'ebe a:
http://www.pseataskforce.org/uploads/tools/sixcoreprinciplesrelatingtosea_iasc_english.doc.
Ndi jikọrọ aka wee depụta iwu a n'asụsụ dị nfe bu ndị ọrụ IASC na-ahụ maka Ikwụba Aka Ọtọ n'ọrụ Nkwalite Ọdịmma na Igbochi Mmegbu na Mmmetọ n'ụzọ Mmekọahụ nakwa ndi nsụgharị asụsụ Translators without Borders.